# Nyocha Isiokwu, Ndịnaisiokwu Na Asụsụ Nka N' Ejije Eruru Si N'aka

**Ugwuoke Priscilla Ebere (Ph.D.)**
**Department Of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages**
**University Of Nigeria Nsukka**
**08037786613**
**E-Mail: ebere.ugwuoke@unn.edu.ng**

**Idoko, Adam Fadila Nwadimka**
**Department Of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages**
**University Of Nigeria, Nsukka**
**E- MAIL: fadila.idoko@unn.edu.ng**
**&**

**Eze, Augustina Ngozi (Ph.D.)**
**Department Of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages**
**University Of Nigeria, Nsukka**
**E-MAIL: augustina.ngozi@unn.edu.ng**

## Ụmị Edemede

Nchọcha a bụ nchọcha nke ndị Ọchọcha jiri ejije Eruru nke G.I Nwaozuzu dere. Mbumnuche nchọchaa bụ inyocha isiokwu ndinaisiokwu na asụsụ nka dịka Odee siri jiri ekemekeuche ya rụọ ọrụ n'edemede a.Ndị nchọcha lebara anya n' ọkpụrụkpụ isiokwu dị iche iche dika Agụmagụ ,ejije, nyocha , akanka na ndịnaisiokwu.Ihe ndị a bụ ime ka mbunuche ndị Odee doo anya. Nke ọzọ ndị Odee lebara anya n'ọrụ a, bu ihe ndị Odee ọzọ rụrụla gbasara isiokwu. Ha nọrọ n'ụzọ dị otu a zipụta myiri, ndịiche n'ọrụ ha na nke ndịọzọgbasara isiokwu a.Mgbe nkea gasịrị ,ha nwere ohere ịchọpụta ụzọ ka mma iji zipụta mbumnuche ha.Nke mere nchochaa jiri gbadoro ụkwụ n' atụtụ Ọdịdị na atụtụ Sayensị akanka iji nyocha mbunuche ha gbasara nchọcha. Atụtụ abụọ ndị a ndị Odee ji tụchaa data nyere ha aka ịchọpụtagasị ihe ndị a.Isiokwu agụmagụ nke G.I Nwaozuzu nke gbadoro ụkwụ na Mmegbu, ha soro ụzọ ndịa zipụta ndinaisiokwu dị iche iche n'ime agụmagụ a nke gunyere...anyaukwu,obi ebere, ajọ omume di ịche iche nke gbasoro otụtụ Ọdịdị.Ha jiri atụtụ akanka chọpụta etu Odee ejije eruru si gosipụta mma edemede site n'atụmatụọkwu

ndịa.ilu,akpalaokwu,egbe okwu,mmemmadụ dgz. Nchọchaa sitere n'ụzọ abụọ ndịa dụọ Ọhaneze ọdụ ka ndị mmadụ wepu aka na mmegbu makan'iheonye mere, ụgwọ ọrụ nọeche ya.Ihe niile ndịa ka Odee na ndị nchọcha jiri zipụta Omenaala,Ọdịnaala na nkwenye ndị Igbo site na isiokwu,ndi na isiokw na asụsụ nka.

**Ọkpụrụkpụokwu: Agụmagụ, Ejije,Nnyocha, Akanka na lsiokwu, Ndịnaisiokwu.**

**Ntọala nchọcha**

N'ihe ọbụla mmadụ na-eme n'ụwa, e nwere mgbe na ebe o si malite. Otu a ka agụmagụ dị. Nkọwaa na- enye ntuzi aka n'agụmagụ nwere mgbe n'ebe o mmalite.Ya bụ ebe a dabere n'ọrọ na-eme ma na- ede agụmagụ. N'otu aka ahụ, ọrụ nyocha agụmagụa nwere ebe ọ malitere na ihe e kwo enyocha ya.

Tupu anyi aga n'iru, ọ di ezigbo mkpa ka anyị kọwaa ihe bụ agụmagụ.Agụmagụ abụghị naanị ihe e dere ka agụọ kama , ọ bụ ụzọ dị mgbagoju anya e si echeta ,egosipụta echiche na mmetuta mmadụ na ibe ya site n'asụsụ na mmgharị ahụ. Agụmagụ na-ejikọta eciche na omume mgbe ọ bụla odee maọbụọgụụ na-ede mọbụ agụụ agụmagụ, ọ bụ otu odee si hụụ ụwa na ihe ndị dị iche iche na-emegasi na ya. Ejije bụ otu n'me ngalaba agụmagụ atọ anyi nwere n'asụsụ Igbo. Ejije bụ ijije maọbụ ñomi agwa, mmadụ mmụọ na nke ndị mmadụ iji kwalite usoro obibi ha. (Ugwuoke,Ikeokwu &Agbedo2019). N' ịga n' iru, Eagleton (2007) kọwara agụmagụ dika ụzọ dị iche iche e si ekwupụta ihe ma ọ bụ ede ihe. Ihe nke a pụtara bụ n' agụmgụ bụ ederde maọbụ ekwurekwu ndị mmadụ si eziputa usoro obibi ndụ.Onuora (2015) kọwara agụmagụ si n'agụmagu bụ ihe mmadụ sitere n'iche echiche nchemi wee chepụta ma jirikwa asụsụ nka depụta maọbụ kwupụta ha n'ụdi akụkọ, egwurigwu ma ọ bụ abụ iji zipụta ihe di iche iche gbasara ndụ n'ụwa anyi nọ n'ime ya.Ihe nke a pụtara bụ na o ga-enweriri onye cheputara agumagu ma deputa ma o bu kwuputa ya ka ndi ozo guo ma o bu nụrụ .

Site n'ihe ndị ọkamumuta dị iche iche kọwara banyere agụmagụ, a hụtara agụmagụ dịka otu ụzọ e si ezipụta ụwa na otu ụwa si dị. Agụmagụ bụ ngalaba dị oke mkpa na mmepe nakwa ọganihu obodo. Agụmagụ dịwagara iche na ngalaba agụmagụ ndị ọzọ . Ejije ji mmegharị ahụ nke sitere na ññomi kwara ngwa ọrụ.

**Mbumnuche nchọcha**

Mbumnuche nchọcha a bụ inyocha isiokwu, ndịnaisiokwu na asụsụ nka di na Eruru nke G.I Nwaozuzu dere. Nke a ga-agbado ụkwụ n'iziputa isiokwu,ndịnaisiokwu na asụsụ nka site n' iji atụtụ Ọdịdị na atụtụ Sayensị akanka nyocha ederde a.

**Uru nchọcha**

Nchọcha a ga-aba ọtụtụ uru, n'ihi na ọ ga-enyere anyị aka ime ka ndị mmadụ na-amaghị uru agụmagụ bara mata ya site na nnyocha a.

Ọ ga-emekwa ka ndị na-amaghị otu odee si wee hazie ma zipụta isiokwu,ndịnaisiokwu Eruru mata ha ma matakwa etu Odee si jiri asụsụ nka rụọ ọrụ. N' ikpeazụ,ndi ga- achọ ime nchọcha ha n'agụmagụ n'ọdinihu ga e ji ihe sitere na nchọcha mere ntuzi aka.

**Nhịaahụ nchọcha**

N'ime nchọcha a, ndị nchọcha nwere ihe nhịa ahụ chere ha aka mgba na mgbe dị iche iche n'oge nchọcha a.Ụfọdụ akwụkwọ agụmagụ dị iche iche gbasara agụmagụ ederede ka ha gụrụ iji chụọ nta nchọcha maka ederede a . Nke a were ha ọtụtụ oge na oge. Ọ bụ ihe ndị a niile nke ndị nchọcha gabigara nyere nchọcha ihu o nwere taa.

**Usoro nchọcha**

Ndị nchọcha a jiri atụtụ Ọdịdị na atụtụ Sayensị akanka mere atụtụ mgbakwasị ụkwụ maka nyocha ejije a bụ Eruru nke G I Nwaozuzu dere n ' afọ 2009. Usoro ha gbasoro bụ ileba anya gbara isiokwu,ndịna isiokwu na asụsụ nka.Isiokwu na ndịnaisiokwu ka jiri atụtụ Ọdidi.

**Ntụlegharị agụmagụ**

**Mkpọlite**

Ntụlegharị agụmagụ a ga- enyere onye ọbụla na-agụ nchọcha aka imata ihe ndị e derela ede banyere isiokwu. Ọzọkwa bụ ịmata ihe ndị ọzọ megoro gbasara isiokwu, atụtụ dị iche iche ha gbasoro. Nke a nyere ndị Ọchọcha aka maka iwube Mbumnuche anyị. Anyị kọwakwara ọkpụrụkpụ okwu ndị di mkp maka ezigb nghọta isokwu a, lebakwa anya na okwu ndị gbara ọkpụrụkpụ gbasara isiokwu,

na tụlegharị ọrụ ndị ọzọ rugoro gbasara isiokwu na ntụlegharị atụtụ nchọcha gbasoro.

**Nkọwa ọkpụrụkpụ isiokwu nchọcha**

Isiokwu ndị a ka ndị nchọcha tulegharịrị maka ezi nghọta pụrụ iche nye nchọcha, Ha gụnyere: Nnyocha, agụmagụ/agụmagụ ugbu a, ejije, asụsụ nka isiokwu na ndịnaisiokwu.

**Nnyocha**

Nwadike (1990) kọwara nnyocha dịka iji anya okenye ji ele ihe dị n'akpa ogologo bịa leba anya n'agụmagụ e dere ede, iji (1990) chọpụta nke ọma ebe na otu ya bụ agụmagụ si kwesi ekwesi ma o bụ ebe o riri mperi. Nwadike kọwara ihe ndị ahụ ana eleba anya ha na nnyocha dịka,ihe edemede na-ekwu maka ya, nhazi akuko, na otu o siri gbasaa onye dere ya,.Ọ na-elebakwa anya n' ihe gbasara asụsụnka e jiri dee agụmagụ aakparamagwa ndị a kpọrọ aha.Nke a nyere ntuzi aka na ndị nnyocha nwere ọtụtụ ọrụ dịrị ha maka nyocha agụmagụ ọbụla.

Ngara (1982) kọwara nnyocha dịka "ngwa mgbazi dị n'agụmagụ na ụzọ ịleba anya n'ihe edemede na-ekwu maka ya. Ihe mgbazi ndị a dịka ọ kọwara gụnyere:nhazi akụkọ, asụsụ nka, agwa, akparamaagwa ndị a kpọrọ aha, omenala ndị pụtara ihe, na ihe ohaneze na-agbarụrụ ihu,isiokwu, ndịnaisiokwu, na nchịkọta akụkọ. Ihe nke a na-enye ntuzi aka bụ na a ga-enweriri ihe pụrụ iche ana agbado ụkwụ eme nnyocha.

Site na nkọwaa niile ndị Ọkamụta nyere, anyị nwere ike ichịkọta nnyocha dịka ụzọ e si ezipụta ọrụ nka, na amamihe niile mere n'agumagu nka. Nnyocha dị ezigbo mkpa n'agụmagụ maka na ọ bụ onye ahụghị ibe ya ahụ n' ime agụmagụ

**Agụmagụ/Agụmagụ ugbu a**

Agụmagụ bụ nke e nwere ike ikowa dị ka iñomi ndụ, nke sịtere n' ekmekeechiche pụta ma bụrụ nke mmadụ , kọwapụtakwara n'onu maọbụ dee ya ede ka ọhaneze nwee ike ihụ ya.

Nwadike (1992) kọwara agụmagụ dị ka ụzọ e si ezipụta echiche mmadụ gbasara isiokwu bụ nke na-egosi nka. Nze (2010) hụtara agụmagụ dika echiche mmadụ

chepụtara n'obi ya wee dee ya edee maọbu kwupụta ya n'ọnụ nke na-enye amamihe,mkpalite ime mmụọ,obi ụtọ maọbụ obị ojọọ nakwa afọ ojuju. Agụmagụ ugbu a maọbụ ederede bụ nke dị n'akwụkwọ, nke mmadụ nwere ike i zụta ma gụọ ya. Nze (2010) kọwara agụmagụ ugbu a na ọ bụ nzimozi nke mmadụ cheputara n'uche ma dekwa ya ede n'akwụkwọ, nke na-eziputa ka ndị si ebi ndụ. Ọ gara n'ihu wee sị na agụmagụ ugbu a bụ enyọ ndị Igbo ji ahụ onwe ha. Okafor (2008) nyere nkọwa na agụmagụ ugbu a bụ agụmagụ ndị ahụ e deturu n'akwụkwọ ka onye ọ masịrị gụọ ya. Onuora (2015) kwadoro ihe Okafor kwuru sị n' agụmagụ ugbu a bụ nke e dere ede,a mara onye maọbụ ndị deputara ha tinyekwara ụlọ akwụkwọ biputara ya mgbe ụfọdụ.

Site na nkọwa ndi a dị n'elu, agụmagụ ugbu a nwere ụzọ dị iche iche e si ezipụta ya. A na-eziptụta agụmagụ ugbu a sịte na i detu ya n'akwụkwọ.

**Ejije ugbu a**

Okebalama (2003) nyere nkọwa sị n'ejije bụ drama n'olu bekee. Na ihe e ji kpọ (drama) ejije bụna o na-ejije agwa,ọdịdị anụ ọhịa na anụ ụlọ,mmụọ na mmadụ na ihe ọbụla dị n'ụwa ka ana akpọ ejije.

Nze (2010) nyere nkọwa n'ejije bụ ngalaba agụmagụ ugbu a.N' ejije bụ emereme ndi na-esite n'ihe ñomi agwa. Ikeokwu (2005) kọwara ejije ka ọ bụ emereme nke (onye) ndị mmee na-ejije agwa maọbu akparagwa (onye) ndị ọzọ n'ihu ndi nkirị bụ ndị aka ebe n'elu nkwago maọbụ ọbọm. Nke a gosiri na isi ahụrụ kwaba okpu n'ejije bu njije. Ejije ugbu a bara ọtụtụ uru dị ukwuu, ha gụnyere: inye ntụziaka, ikuzi ihe, ikpa obi ụtọ, mgbasa ozi, ịdụ.ọdụ, izipụta ka e siri ahụ ụwa site na mgbe ọkpụ ruo taa, d.g.z..

**Asụsụ nka**

Asụsụ nka bụ okwu ndị ahụ odee na-ewebata n'agụmagụ ya iji mee ka ederede ya kwụrụ chịm ma dịụtọ ka ọgụụ nwee ike nwee maasị.

Mbah na Mbah (2007) kọwara n'asụsụ nka dịka okwu ndị na-adacha na nghọta nkitị ma banye na nghọta na nkọwa nke mmamahụ. Nwadike (1992) kọwara na asụsụ nka dị oke mkpa n'ihi na odee kọchagodi akụkọ ma asụsụ nka ya adabaghị adaba, ịmara na o teela ofe dị oke ọnụ nke anụ adịghị na ya. Nwadike (1992) kwukwara n' asụsụ nka kwesiri ịdị mfe dookwa anya n' agụmagụ ọbụla.

Ngara (1982) kọwara na nka asụsụ bụ ihe a ga-akpachapụrụ anya maka na ọ na-eme ka ederede kwụrụ chịm chịm. Lorge (1971) na nkọwa nke ya, mere ka a mata mkpa asụsụ nka dị mgbe o kwuru na asụsụ nka bụọ dị nkenke eme ire n'ebe nka mma ndị ọzọ dị n' ime agụmgụ. O mere ka anyị mata ihe mere o ji wee bụrụ ọ dị nkenke eme ire mgbe ọ sịrị na asụsụ nka na-eme ka nka mma ndị ọzọ dị n'ederede zaa ezị aha ha, maka na ọ bụ site n'asụsụ nka ka e ji akọwapụta ha.

**Isiokwu na ndịnaisiokwu**

Agụmagụ ga-enweriri isiokwu na ndịnaisioikwu. Isiokwu bụọkpụrụkpụ ihe ndị ahụ Odee chọrọ ka ndịỌgụụ ya ghọta maọbụ ihe ọ na-ekwu maka ya n' ime agụmagụ ya.

Akaeze (2015) kọwara isiokwu dika ihe odee chọrọ ide maka ya nakwa ihe ọ chọrọ iji ihe ahụ ọ na-ede zipụta. Ihe ahụ odee chọrọ ide maka ya bụ isiokwu. Ihe ọ chọrọkwara iji ihe odide ahụ gosipụta bụ ndịnaisiokwu. Nkọwa na- egosi n'isiokwu bu akpụrụkpụ pkwu ghọrọ isi akụkọ n' ime agụmagụ ebe ndịnaisikwu bụ ịrighiri okwu ndị ahụ na- adapụtagasị n' ime isiowu agụmagụ.

Ngara (1982) nyere nkọwa ya gbasara ndinaisiokwu dịka ihe ndị ahụ mejupụtara akụkọ dị n' ime agụmagụ ya.Ndinaisiokwu na-apụta ihe site n'akụkọ, ihe odee na-ekwu maka ya.

Sịte na nkọwa ndị a, ndịnaisiokwu bụ otu ụzọ ndị odee sị e zipụta isiokwu ha chọrọ e zi ndị ọgụụ.

**Ntụleharị Ọrụ Ndị Arụgoro Banyere Isiokwu**

Mbah (2013) nyochara asụsụ nka dị n'idụuazi 'Nwata Kpata Ego,Okenye Ejegbo Onwe Ya n'Ozi nke Ogbonnaya dere.O kwuru na odee ji asụsụ nka gosipụta akanka ndị e nwere n'agụmagụ Igbo.Mbah nyochara ebe agụmagụ a nọ kwesị ekwesị na ebe o riri mperi,mana o kọwara na ka odee sị wee na-ezipụta nka n'agụmagụ ya kwesirị ekwesị Myiri dị na nchọcha a bụ na nke Mbah (2013) bụ na ha abụọ na enyocha asụsụ nka ma na- ewepụta maka ndụ na obibi ya. Ndịiche ha bụ maka atụtụ e ji mee nyocha na akwụkwọ e ji mee nyocha ndị a.

Nwokafor (2006) mere nchọcha ya n' asụsụ nka dịka o si pụta ihe n' agụmagụ "Ihe Nwata Hụrụ Na Adaeze".Nwokafor (2006) lebara anya otu Mazị Ofọmata si ahọrọ

asụsụ ndịọ O ji edepụta ederede ya. Ọ kọwara n' Odee kpachapụrụ anya dee idụuazị ya.Ọ bụghị naanị na okwu ndịọ họọrọ dabanyere n'aha ọ na-akọ maka ya, kama ọ hazikwara agụmgụ ya n'ụdị dị iche iche dịka mkpụrụokwu, ahịrịokwu, ilu, akpaalaokwu, na atụmatụ okwu ndị ọzọ. Myiri ha bụ eleba anya n'asụsụ nka dị n'agụmagụ Igbo,ya bụ iwepụta nkamma ndị odee. Ndịiche dị na nchọcha Nwokafor (2006) na nyocha a bụ na nnyocha Nwokafor (2006)gbadoro ụkwụ n'iduaazị ebe nchọcha a bụ maka agụmagụ ejije.

Ndụnagụ (2006) mere nchọcha n'isiokwu bụ Ndina na Akanka ejije 'Ajọ Obi' nke G. I Nwaozuzu dere. O lebara anya na nhazị akụkọ, ntọala,asụsụ nka, ọlụ odee, okwu ndị e dehiere, okwu mbite,nkwenye ndị Igbo, omenaala na ihe obodo na-akwadoghị.Ndụnagụ (2006)chọpụtara ụzọ Odee sị were ekemekeuche ya wee chọọ ejije ya mma, nakwa ka o sị hazị ya.Myiri Nchọcha Ndụnagụ(2006)na nchọcha a dabanyere n'otu ụdị isiokwu dika ichọputa Ndina isiokwu dị n'ejije Igbo.O bụkwa otu odee dere akwụkwọ ndị a. Ndịiche nchọcha a bụ na Ndụnagụ lekwasịrị anya na Ndina na Akanka n'ejije 'Ajọ Obi', ebe nke a ga-elekwasi anya na isiokwu,ndịnaisiokwu na Asụsụ nka n'ejije 'Eruru' nke G. I Nwaozuzu.

Azegba (2006) na nchọcha ya ji akwụkwọ 'Mmiri Okụ E Ji Egbu Mbe nke Tony Ubesie dere mee nchọcha ya. O lebara anya na ọtụtụụzọ Ubesie si e ji asụsụ achọ ederede ya mma. O kwuru na Ubesie na-eji atụmatụ okwu eme ihe n'uju .O weputara otu Ubesie si jiri asụsụ nka wee chọọ ederede ya mma.O weputara ilu dị iche iche, akpalaokwu na atụmatụ okwu ndị ọzọ di n'akwụkwọ ahụ ka ndị Ọgụụ mata ihe dị iche di n' ilu na akpalaokwu n'ihi na mgbe ụfọdụ a tụọ ilu ụfọdụ echi na ọ bụ akpaalaokwu.Myirị bụ na ha abụọ wepụtara asụsụ nka ndị dị n'ederede ha . Ndịiche ha bụ na Azegba(2006) nyochara asụsụ nka dị na 'Mmiri Okụ E Ji Egbu Mbe' nke Tony Ubesie dere, ebe nke a na-enyocha ,isiokwu,ndịnaisiokwu na asụsụ nka n'ejije Eruru Nwaozuzu,G.I dere.

**Atụtụ Nchọcha Gbasoro**

**Nchọcha gbasoro atụtụ abụọ maka nyocha agumagụ ejije Eruru. Atụtụ ndị a gunyere:Atụtụ ọdịdị na atụtụ sayensị akanka.**

**Atụtụ Ọdịdị**

Atụtụ a malitere n'ihe dịka naSenchụrịiri abụọ. Ọ bụ ndị Ọkammụta na mba Russia wepụtara atụtụ a iji leba anya n' agụmagụ. E weptara atụtụ a n'afọ 1916 na

St Petersburg, nke onye bụ onyeisi ha bụ Victor Shklovsky. Nnyocha agụmagụ n'usoro ọdidi na-eleba anya otu e siri weputa nkamma agụmagụ ahụ(Akaeze,Aboh na Ugwuoke 2021).Ọ bụrụ n'anyị e buru nke a n'uche, nke a ga-eme ka ọgụụ na- enwe obi ụtọ maka na- ọrụ ọdidi dika orụ nnyocha bụ i wepụta nkamma n'agụmagụ, na ọ bughi ihe mgbakwasi ndi ọzọ so ya. Iji ghọta ihe a, ihe dị onye ntụcha mkpa bụ mma nyocha ahụ ga- eziputa, dika ọdịdị ya na mebere ya. Ihe ọzọ atụtụ ọdịdị na-elere anya bụ isiokwu, na ka ndinasiokwu di n'agụmagụ si pụtagasị ihe n' eme agụmagụ. Ndụ odee adikebeghi onye ntụcha agụmagụ mkpa. Iwepụta nkamma di n'agumagu bụ isi ahụrụ kwaba okpu maka nyocha agụmagụ site n'usoro ọdịdị. E nwere ike ịkpotu akụkọa elu elu, mana, anaghị atufukarị oge gbasara ya. Isiokwu,ndịnisiokwu ndịna na otu odee siri weputa nkamma ya ka ndịna ya si mmetụta ndụ n'ụzọ pụrụ iche.

**Sayensị Akanka**

Sayensị akanka bụ njikọrọ akanka na sayensị asụsụ. Akanka bụ ihe jikọtara ọkammụta asụsụ na odee. Akanka bụ e jiri mara onye. Ọ bụkwa ihe ndị ahụ na-ekewa odee na odee ibe ya ma zipụta mma na ndị iche pụtara n'ọrụ ha. Akanka bụ iji usoro sayensị asụsụ ma na-lebanye anya n'akanka dịgasị iche iche nke ode jị rụọ ọrụ. Onye mbụ ji atụtụ a mee ihe n'agụmagụ bụ Roger Fowler n'afọ 1966, n'akwụkwọ a kporo 'Essays On Style And Language'. Mana onye bụ nna atụtụ a bu Sapir,nke rụtụrụ aka gbasara atụtụ a n'afọ 1921 ruo 1960. Lucas (1955) kọwara akanka dịka iji asụsụ rụọ ọrụ n'ụzọ pụrụ iche, ọkachasị n'odịnịigha, iji wụbe mkpụrụ okwu maọbụ kwalite mmụọ.

**Ntụcha Data**

**Nkenke akụkọ maka Agụmagụ nji rụọ ọrụ bụ Eije Eruru.**

Anyị ga-achịkọta akụkọ dị n'ejije a n'ụzọ dị nkenke. Akụkọ dị n'ejije a, bụ gbasara otu nwata aha ya bụ Erurunwa. Ọ bụ nwa enwe nne na nna, nke nwunye nna ya bụ Urịonụ na-emegbu ya na ebe ọ dị ukwuu. Ihe bụ mkpa nwatakịrị a bụ naanịịhụnanya, mma nwunye nna ya na nwa nwunye nna ya bụ Akwanwa jụrụ igosị ya Ndị Igbo kwuru na ehi e nweghịọdụ na chi ya na-achụrụ ya ijiji. Ọ bụ Ikagwumbe bụ Ọkagamba e nwere n'obodo ha gosịputara ezigbo agwa bụ ịhụnanya na ebe Erurunwa nọ.

Ejije a mmalitere mgbe Erurunwa na ndị enyi ya abụọ si mmiri na alọta n'isi ụzọ. Ka ha na-alọta, ha zutere Ikagwumbe, Ugwunta na Obika. Ụmụ okorobịa ndị a si ebe ha si ọzụzụ nkwado mgba wee na-alọta, ike gwụrụ ha, ha anọdụ ala n'ezu ike na-akpa maka mgba e nwere n'etiti obodo ha, Ụmụkunba na ndịỤmụabadi. Ha hụrụ Erurunwa na ndị enyi ya abụọ ka ha bummirin'isi ala,ha wee rịọ ha mmiri ma ndị enyi Eruru juru inye ha mmiri. N'ihi obiọma Eruru nwere, O kụnyeturụ ha mmiri na ite nke ya. N'ihi akparamagwa a dị mma Erurunwa gosipụtara, nke a juru Ikagwumbe anya nke mere na Ọ chọrọịmatakwu Eruru nke ọma, nke mere na Ọ jụrụ Eruru aha ya nakwa ihe ndịọzọ gbasara ya. Okagamba a bụ Ikagwumbe kwere Eruru nkwa na ya ga-abịa n' ụlọ ha mana Erurunwa gwara ya abịakwala n'ihi na nwunye nna ya bụ Urịonụ ga-egbu ya n'aka ma ọ bịa. Ha hapụrụ ụmụ okorobịa ahụ, e mechaa Ikagwumbe na ndị enyi ya agbagawa ebe a na-agba mgba, mgbe ha nụrụ ekwe mgba.

N'ụbọchị mgba ahụ, ha anọrọ na ebe a na-agba mgba. Ikagwumbe bụ Ọkamgba ndị obodo Ụmụkụnba. Ọ bụ onye a na-akwanyere ùgwù ma bụrụkwa onye ama ama n'ihi ọ dịbeghị onye merigoro ya na mgba. Ikagwumbe nọ n'eti mkpụ si; taa ka ọ ga-abụ! Wee na-akpọ onye ga-abụ ya na ya.Akagbụ bụ Ọkamgba ndị Ụmụabada. Mgbe mgba bidoro,Ikagwumbe a tụọ Akagbu n'ala, ụzụ atụọ ebe niile. Ụmụ agbọghọ niile tinwere.Akwanwa gbara egwu banyere n'ọgbọ na-amakụ Ikagwumbe. Ozugbo Erurunwa na-abata ikele Ikagwumbe, Urionụ mabatara n'ọgbọ, tie ya ihe, dọkpụrụ ya pụọ. Urionụ kparịrị Erurunwa n'ihu onye ọ bụla. N'ihi ihụnanya Ikagwumbe nwere n'ebe Erurunwa nọ,Ọ gwara Urionu ka Ọ hapnwa enwee nne enwee nna.Ụrionu juwaraisi na-eti ya ihe (ọkụ wee nyụọ). N'ụlọ Urionụ, Erurunwa bụ onye na-arụ ọrụ niile dị n' ụlọ , , ebe Akwanwa bụ naanịịchọ onye ya mma nakwa ya na ndị enyi ya ịkọ asịrị kọgide Erurunwa. Ka Akwanwa na ndị enyi ya nọ na-akparita ụka, Ọ gwara Erurunwa ka Ọ gaa wetara ya azụ nne ha hapụrụ n'ịgịga ọ ga-eji esị ofe mana Erurunwa agbalịala ikọwara ya na nne ya ga-ewe ezigbo iwe ma ọ lọta ahịa, ma Akwanwa achọghịịnụ ya. Nke a mere ọ ji wee bara Erurunwa mba ka ọgaawetaazụahụ.Erururubereisi wee weta azụ ahụ na-ekwughị okwu ọ bula. Akwanwa ji azụ ahụ wee wara ndị enyi ya ọjị mana ndị enyi ya chetara ya na nne ya ga-abamba ma ọ batara ahịa ma chọputa na aka agalan'azụ ahụ,mana Akwanwa sị ha hapụ okwu,na ọ bụrụ na ya agwaa nne ya sị Eruru tara azụ ahụ na nne ya ga-ekwere, ha niile e wee chịa ọchị na oke ụda. Mgbe Urionụ batara ahịa, ọ nyere Akwanwa na ndị enyi ya ihe ọ zụtara ha

ma ọ dị nwute na ọ nweghị nke O nyere Erurunwa. Ka nke a gasịrị, ọ gwara Erurunwa ka ọ butere ya nri, ha niile ririị nri ahụ ma ha ekweghị ka Erurunwa sonyere ha. N'oteghi aka ha richara nri ahụ, Urionụ banyere n'ụlọ ma chọpụta n'azụahụdịn'ịgịgaadịghịzị.N' ihi obi ọjọọ O nwere n'ebe Eruru nọ,Ọ gwara Eruru ngwa ngwa ka O dochie azụ nke ọbụghị ya riri. O tirị nwata a ihe tinka tiri panụ.Ugbu a, ọ bụghị ịdochi azụ ahụ bụ ebe okwu dị kama ka O jiri azụ mpete dochie anya ya. Nke a pụtara na Ọ ga-eme gaa n'ahịa ndị mmụọ a na-akpọ eke ukpana ndị mmụọ, iji wee ga zụtara ya azụmpete ahụ. Ebumnobị Urionu bụ ka Erurunwa ga nwuọ ebe ahụ n'ihi na ọ dịbeghị onye gara ahịa ahụ wee lọta.
na agbaghị n' echiche Uriọnụ bụ ka Eruru nwụọ n' ala nde mụọ.

**Izipụta Isiokwu Na Ndịnaisiokwu Dịka N'ejije Eruru**

Isiokwu agụmagụ bụ ụdị omume dị iche iche ana ahụgasị n'elu ụwa taa.Nke a bụ ọkpụrụkpụ ihe maọbụ isi sekpu ntị n'ime agụmagụ Eruru nke okwu ndi ọzọ akpọrọ ndinaisiokwu hibere isi na ya. Site iji atụtụ ọdidi, Odee ji agụmagụ ya agba ajọọ omume na ezigbo omume n'anwu. Odee jiri ọdịdị agụmagụ ya ziputa n' omume ọbụl mmadụ mere n'ụwa nwere Ụgwọ dịrị nke ọbụla.
Isiokwu ejije Eruru a bụ "Omume ndị mmadụ", omume mma na nke njo jupụtagasịrị n' ụwa taa .

**Odee, jiri ndinisiokwu n'ine ejije Eruru zipụtagasị omume ọma na nke ọjọọ bụ nke juru uwa anyị taa Lee ha na ndịnaisiokwu ndị a:**

**Ndịnaisiokwu**

Nke a bụ irighiri ihe ndị ahụ mejupụtara isiokwu.Ha bụ ihe ndị na-eme ka isiokwu ana-ekwu maka ya pụta ihe nke ọma. Ụfọdụ ndịnaisiokwu mejupupụtara akụkọ dị n'akwụkwọ ejije Eruru gụnyere ndị a:-
Anyaukwu, Obi ebere, Eziomume,Ajọobi,Ebubo/ịtụasị,Ihunanya,Ụgwọọrụ enweghi ezigbo ọzụzụ,enweghị nne na nna na ihe ndị ọzọ dị iche iche, mana nchọcha a ga- agbado ụkwụ n' ịkọwa ihe ise bụ ndịnaisiokwu dị n' agụmagụ a.

**Anya ukwu**

Anya ukwu n'ejije a pụtara enweghi afọ ojuju maọbụ ịchọ nanị nke onwe.Anyaukwu pụtara ihe n'ejije a, n'ebe Urionu nọ. Nke a pụtara ihe mgbe Erurunwa gara ala ndị mmụoọ wee lọta, mgbe Ọ lọtara, O ji ezigbo ihe wee lọta,. Mgbe Uriọnụ chọpụtara ihe mere na ndụ Erurunwa,Ọ kpọrọ naanị otu mkpụrụ

nwa ya bụ Akwanwa kwado maka nje m ala mmụọ ma gwa ya ihe Ọ g- eme ma O rue ebe ahụ. Uriọnụ gwara Akwanwa ihe ndị Eruru ji lọta ,ma gwa ya na Ọ lọta nke ya, lekwa ihe Ọ ga eji. Ihe ndị bụ ihe ndị ziputara anya ukwu n' ihu akwụkwọ (102- 103) nke a dịkwa ire mgbe Uriọnụ dọrọ nwa ya bụ Akwanwa aka na ntị sịya "Ị nụkwara ihe m gwara gị"?. Agwaa Uriọnụ bụ ihe Odee jiri zipụta ọdidi mmadụ,nke bụ ihe na- eme n' elu Ụwa taa

**Obi ebere**

Obi ebere dịka o si bụrụ Ọdịdị nka n'agụmagụ a bụ mmadụ inwe mmetụta na nsogbu mmadụ ibe ya na- agabiga.Ọ na- eziputa mmadụ ichọ ọdimma mmadụ ibe ya ka nsogbu chere onye ọzọ aka mgba bụrụ ihe biara n'isi njedebe. Obi ebere pụtakwara ihe na ndụ Erurunwa bụ isi ahụrụ kwaba okpu n' ejije a. A hụtara obi ebere ya na mgbe Eruru kunyere Ụmụ nwoke atọ na- agb mgba mmiri mgbe Eruru na ụmụ nwaanyị ibe ya churu mmiri n'alọta. Ha zutere umu okorobia ato agu mmiri ji. Ha bu Ikeagwumbe, Ugwunta na Ajagbu. Ikeagwumbe siri 'hee, nne bịanụ, nyetunu anyi mmiri, akpirị akpọala anyi nkụ.Ụmụagbọghọ ibe ya jụrụị bunye ndị Okorobịa a mmiri, ma naani. Nwagboghọ wee sị Erurunwa mgbeọ na-ebunye ha mmiri, onye ọma, gi mechaa lọtawa, ma chetakwa onye nwunye nna gị bụ o". (Ihu 8)

N'ebe ebe ọzọ Erurunwa gosiri obi ebere bụ ebe Agadi nwanyị mmụọ nọ. Agadi nwaanyi gosichiri ya ebere mgbe Ọ sịrị Erurunwa Ewu nwa m, ebere gi emeela m. Gwawa nwa m, esola m, i gaghi enwe ike nọrọ ebe a m nọ. Gawa, o ga-adirị gị mma. Ukwu agaghị akpo gị , ihe niile zutere gi n'ụzọ ga-egosi gị obioma na obi ebere. (Ihu 56).Ebe ọzọ Obi eberepụtara ihe bụ na etiti Erurun na Agu n'ihu akwụkwọ (57)

Agụ gosiri Erurunwa obi ebere. Mgbe Agụ hụrụ Erurunwa, Ọ gboroụja wuum wuum wuum! Eruru nwa akwụsị. Agu eti kapụta nọchie ya ụzọ. Erurunwa ewere akwa gee nti. Nna m Agụ, a bịara m n'udo,a bịaghị m ọgụ. Agụ wee gwa Erurunwa ka o gosi ya na o bịara n'udo. Erurunwa egosi Agụ ogbe akwa. Agụ na-agbagharị n'iwe, na-esi Erurunwa imi ma na-akụ okpokpo eze ya kpọm kpọm ka a ga-asị na ọ ga-eri Erurunwa. Erurunwa kwara akwa arịrịị wee riọAgụ kaọ hapụ igbu ya. Agu wee nye Erurunwaụtụ gbaba n'ọhịa. (Ihu 57). I he ndị a niile bụ usoro

ọdịdị na- egosin'ejije Eruru na mmadụ,mmụọ na anụmanụ na enwe obi ebere ma na-achọ ezigbo omume. Ihe ndị a bụ ọdịdịchị n' ụwa anyị nọ n' ime ya.

**Iwe na ọnụma**

Nke a pụtara ihe ebe abụọ n'ejije a. Ebe nke mbụ iwe na ọnụma gbara n'anwụ n'ejije a bụn'ihuakwụkwọnkeasaa(ihu 7) Erurunwanaụmụ agbọghọ abụọ ndị enyi ya si n'ụzọ ichu mmiri abta, ha, wee zute Ikeagwumbe na ndị enyi ya abụọ iwe na ọnụma mere ha ji ha wee juụ ibunye ụmụ okorobịa ndịrịọrọ ha mmiri,mmiri ka ha ñụọ. Nke otu onye n'ime umu agbọghọ ahụ gwara Ikeagwumbe na ndị enyi ya ma ha abụụmụ ochu mmiri ha? Na ọbụrụ na mmiri na-agu ha ka ha gbadaa n'iyi ahụ ñụọmmiri. (Ihu 7)

N'ebe nke abụọ iwe na ọnụmadoroanyabụn'ebeUriọnụnọ. Ọ bụ iwe na ọnụma mere o ji kpochie obi wee ziga Erurunwa n'eke Ụkpana ndị mmụọ, ebe Ọ makwa na Ọ bụghị Erurunwa tara azụ pụrụ na ngịga Iwe na ọnụma mee Uriọnụ ji gwaErurunwasị"Achọghịzị m azụ asa,ebe gị bụ nwata asọghị awọ taa m arụn'isi, gba-eje zụtara m azụ mpet e., A chọghịzị m azụ asa, m agaghị asọ nsịma m tawa gịarụ nke m n'ike, ihe ị hụrụ gị buru, Anụọhịaa". (Ihu 37,38). Ihe ndia mere n'akụkọ bụ etu mmadụ anyị na- ahụta n'oge ugbu a siakpaagwa.Ihendịjuputaraụwataa bụ iwe na ọnụma bụ nke Ọ dee jiri ụzọ ejije gosipụta ọdidị usoro obibi nd n'ụwa taa.

**Ihe ọbụla nwere ụgwọ**

Ndịnaisiokwu apụtaraihena ndụ Urionu, Akwanwa na Erurunwa bụ ndi ahụrụ isi kwaba okpu n' ejije Eruru. Ndị Igbo kwuru okwu sị na o mee mma na mma na-eso , ma o mee njo na njona- eso. HA nwekwara nkwuenye na omume onye na-edu ya. N'ime ejije a,iheọjọọ niile Urionu na Akwanwa mere, ha natara ụgwọ dịrị omume ha n'ikpe azụ . Nke a pụtara iheihuakwụkwọ (123-130).imaatụ,N'ebeAkwanwa no, mgbeỌ nọ n'ala ndị mmụọ,Agadi nwaanyị mmụọ sịrị i 'Jidenu ya! Dorienu ya! Nwata a gbara ajọ mmadụlee onye gbàra m ikwụ n'ike, gbatuo m n'ala, jụụ inyere m aka n'abịa ibu ihe m. tigbuonu ya etigbuo" (ihu 123). N' iheajọọomumeya,ha tigburuya ma buru ozu y bulatara nne ya nke hụrụozunayanwụọ.Nke a pụtaraihen'ihu (130).Iji gozipụta ụgwọọrụ dịrị ezi omume ,nke mezuru na ndụ Erurunwa ba Ikeagwụmbe mechara lụọ dị na

nwunye n'ikeazụ ejije a.Ọdịdị ndịnaisiokwu a bụ na mmadụ enweghike imegbu onye chi ya na - emegbghi.

**Asụsụ Nka Ndị Pụtagasịrị Lhe N' Ejije**

N' isiokwu a ,ndị nchọcha jiri Atụtụ Sayensị akanka nyocha ọrụ Odee na usoro Odee ji zipụta eciche ya . Nnyocha ha bụ ka ha nwee ike nyochapụta ihe di iche na Akanka OdeeEjije Eruru na Odee ndịọzọ.. A bia n'asusu nka, o bu okwu nka di iche iche nke e ji achọ edemede maọbụ okwu mma. E nwere ọtụtụ asụsụ nka dị iche iche Odee ji rụọọrụ n'ejije ya nke ndị nchọcha lebere anya. Ha gunyere:- ilu, akpaalaokwu, myiri, mbụrụ, mmemmadụ, bịambịam mghochiume, biambịam ụdaume, okwu mbite, nsịnụụda dgz .

**Ilu**

Ilu bụ okwu amamihe chọrọ echiche miri emi maka nghọta ya. Ọ bụ mmanụ ndi Igbo ji eri okwu. Nze (2010) nyere nkọwa ilu sị na ọ bụ okwu amamihe na-adị omimi nke na-ezipụta echiche na nkwunye ndi Igbo banyere ihe di iche iche ọkachasi nkwenye metutara obibi ndụ,akparamagwa na mmekọrịta mmadụ na ibe ya.Ọ bụ ya mere e ji asị na ilu bụ mmamụ ndị Igbo ji eri okwu. Ilu ndị pụtagasịrị ihe n'agụmagụ Eruru nke Odee ji kara ngwa ọrụ gunyere ndịa-
Ụka a kpara akpa, isi ka e ji ekwe ya. (ihu 10), Agha a kara aka anaghị eri ngwọrọ. (ihu 10), Oko Okporo ibeiribe amaghị na ada nne ya bụọbịa (ihu 17), Ehi enweghịọdụdụ na chi ya na-achụrụ ya ijiji. (ihu 34), Nwata asọghịawọ taa m arụn'isi, m bụ onyenye agaghị asọ anya m tawa gị arụ n'ike. (ihu 37), Ajị dị ewụ n'ahụ ekweghị ka a mara na okpoofufu na-agbwakwanụewu (ihu 70), Mbèredè nyiri dike ma mbèredè ka e ji ama dike. (ihu 74), Gị mara asụ sụọ n'ịkwe ma gị amaghị asụ gị sụọ n'ala (ihu 83) Ụkwụ ka e ji achọ ihe danyere na mmiri (ihu 91), Anya ka e ji ama ọka kara aka. (ihu 92), na Oke soro ngwere mma mmiri, mmiri kọọ ngwere ọ ga-akọkwa oke. (ihu 96).

Ilu nị a niile ndị nchọcha nyochapụtara bụ bụ ilu ndị Igbo. Ha niile bụ okw amamaihe dịomimi ma bụrụkwa nke Odee jiri ziputs eciche na nkwuenye ndi Igbo banyere ihe na ọnọdụ dị iche iche,etu ha si emetuta obibi ndụ na usoro ya n'etiti mmadụ na ibe ya.

**Akpaalaokw**u

Akpaalaokwu bụ usoro okwu na-etinye nghọta miri emi n'ahịrịokwu. Okebalama (2003:114) kọwara akpaalaokwu dịka ọkpụrụkpụ mbụgharị nghọta. Ihe nke a pụtara bụ n'okwu e kwuru n' ihu dịwagara iche n'ihe nghọta ya bụ. Ọ nweghị ka ihe ahịrịokwu akpaalaokwu na-akowa ji yie nghọta ma ọ bụ mpụtara ya. Ọ na-anwe nghọta ọzọ. Nke mbụ bụ kee ụtọasụsụ ,nkeọzọ bụ kee echiche. Akpaalaokwu ndị pụtara ihe n'ejije a bụ;

O kwa oke hụrụ ibe ya, ya enyowa ya enyo (ihu 6), Anụ kporo nkụ na-ejụ onụ. (ihu 11), Anụ laa taa echi bụ nya. (ihu 30), Mmadụ a ga-anọrọ be ya nọpia mkpuru amụ ya. (ihu 33), Agwo tụrụ mbe. (ihu 34), Chi gị mụ anya. (ihu 46), Uru adịghị n'afọ danda. (49), Ụkwụ agaghị akpọgị(56) na Ịmụta aka ekpe na nka (Ihu 96)

Akpalaokwu ndị a niile Odee jiri rụọọrụ tinyere nghọta miri emi n'ahịrịokwu ndịahụ.Akpalaokwu dịka ọkpụrụkpụ mbugharị nghọta n'ahiriokwu. Dika i ji atụtụ akanka, Ọbụ nke Odee ji i iche na Odee ndịọzọ. Odee jiri akpaalaokwu ndị ahụ mee ka agụmagụya maa mma.tụọụtọ,sie ike m gosipụta ndụ zuru ke na obibi ya dika nkwenye ndị Igbo.

**Myiri**

Myiri bụ atụmatụ okwu na-akowa na otu ihe dị ka maọbụ yiri ihe ọzọ. . Myiri na-atụkọrịta ihe abụọ na-anọghị n'otu oge. Onuora (2015:156) nyere nkọwa myiri dika: E ji na ihe dị iche iche ka ọdị ka nkeọzọ. Myiri na-ezipụta ma na-emekwa ka a ghọta otu ihe a na-ekwu maka ya di n'egbughi oge ọbụla. Mkpụrụokwu abụọ e ji mara myiri bụ 'dika' maọbụ 'ka'. Myiri ndị pụtara ihe n'ejije a bụ ndịa:-

Ọ na-agagarị ka agụ agụụ na- agu. (Ihu 11), Ụkpana ka i bu. (Ihu 12), Anụọhịa dika gi. (Ihu 27), Onye ohi na-ekwu ka mmadụ. (Ihu 29), Na eto nkwu ka a na-eto ofe. (Ihu 84), O ji tibata ebe a ka ewi e mepurụ na onu (Ihu 92), Lee ndị a na-esi ka nkakwụ ka m na ha ga-alụọgụ. (Ihu 121) na Obi di m ka e tinyere ya ogbe nzụ (Ihu 127)

Otu atụtụ njiri rụọọrụ bụ na Odee ji ha gosiputa ihe ndị Igbo ji atụnyere ihe nke ha abụọ anọghị n'otu ogo. Odee ji ihe nke ọzọ atụlerikọta ndụ na ọbibi ha n' etti mmadụ na ibe ha.

**Mbụrụ**

Mbụrụ dịkwa ka myiri mana ihe dị iche n'etiti ha abụọ bụ n' ebe myiri na- akọwa na otu ihe dị ka ihe maọbụ yiri ihe ọzọ, Mbụrụ na-egosi ka akparamagwa na

anọghị n'otu ogo si buru otu.. Okebalama (2003:111) tulere mbụrụ dika ndọgharị nghọta. O ji ihe atunyere ihe dị nnọ iche. Ya bu, kama i si na ihe dika, asị na ihe bụihe . N'eziokwu, 'bụ' bụ ihe nyere ya aha ji zaa 'Mbụrụ'. Mbụrụ ndịpụtara ihe n'ejije a bụ ndi a;

1. Nwaanyi a bụ onye ara. (Ihu 14)
2. I bụ nnọ okokoriko. (Ihu 18)
3.Akwanwa bụ nwa mmụọ mụrụ (Ihu 28)
4. ị bu mmụọ (Ihu 59)
5.Ndị ogbe a bụọkụkọ. (Ihu 98)

Mbụrụ so n'otu ihe mejuputara ejije Eruru..Ọ bụ asụsụ nka Odee ji ziputa ndọgharị nghota. Odee ji Mbụrụ dọgarịa nghọta ihe a chọrọ izipụta ka ederede pụọ iche ma nwekwa nghọta miri emi.

**Mmemmadụ**

Mmemmadụ bụ atụmatụokwu nke n' eji ihe abụghị mmadụ eme mmadụ. Mmemmadụ bụmgbe ihe na e nweghị ndụ maọbụ ihe abụghị mmadụ na- akpa agwaa ka mmadụ. Ịmatụ ya pụtara n'ihuakwụkwọ (19)

1. Ozu a ọ nọkwa n'ụlọ a, ka ọbụ na ọnụbeghi olu m. (Ihu 19).

Mmemmadụ so n'ihe ndị ahụ mebere agụmagụ ejije Eruru., E ji wee ziputa echiche O dee na nhụrụụwa nd ndị Igbo

**Egbeokwu**

Ezeomeke (1999) nyere nkwọwa egbeokwu sị na nke a bụ ikwu okwu kwufe ya oke kwuo ihe e nweghi ike ime eme. Nze (2010:53) kwuru n'egbeokwu, na-akpanye nnu n'ihe e mere ka ọ daa ụda karịa .Ịmatụ Egbe okwu pụtagasịrị ihe n'ejije Eruru gunyere:-

I wagbuola onwe gị n'anya (ihu 59) na Ụtụ nke a atọgbuola onwe ya (Ihu 61)

Odee ji asụsụziputa egbeokwu nile dị n'ejije a iji wee kpanye nnu na ihe o na-ekwu maka ya ka o nwee ike daa ụda. Nke a mere ka mma agụmagụa wee pụta ihe ma nwekwa nghọta pụrụ iche.

**Okwu Mbite**

Okwu mbite bụ mkpụrụokwu ndị ahụ e si n'asụsụọzọwebatan'asụsụ Igbo. N'ejije a, odeetinyere okwu ụfọdụ mmadụ na-amaghị mpụtara ha mana ebe ha nọ na ha nyere nghọta pụrụ iche. O nweghikwa ebe ndịỌ kọwara ya bụ okwu.

* Jara. (Ihu 22), Firirim. (Ihu 43), Piopu. (Ihu 49) na Ero pee (Ihu 82)
Ihe nd a bụ izipụta ndacha nke nyere agụmagụ a mma pụrụ iche.

**Nsinaụdạ**

Nsinaụdạ bụatụmatụokwu e ji achọ edemede mma, e jikwa ya egosi ka ihe a na-anụ nke a kpọrọ aha na-ada n'onwe ha.
Gwoo. (Ihu 13), Gwụm. (ihu 19), Wụụm. (ihu 57) na Kpọm kpọm.(ihu 57
Atụtụ nji rụọọrụ metụtara nsiụdạ dị ka o si metụtakwa ibe ya. Ọ bụkwa asụsụ odee ji ziputa nsiụdạ iji gosi ka ihe a na-ekwu bụ ihe a kpọrọ aha na-ada na onwe ha, ọ nwekwara nghọta miri emi.

**Mmechi, Nchọpụta na nchịkọta**

Na nchọcha anyị mere, ọ dị mkpa ikwụputa na anyị achọpụtaala otụtụ ihe mgbe anyị na-enyocha ejiji Eruru nke G.I Nwaozuzu dere. Ejije a ka O dee ji zipụta Ọhàneze mkpa ọ dị izere mmegbu nakwa anya ukwu. Ndị lgbo kwuru okwu sị nwa mmụọ emegbula nwa mmadụ, nwa mmadụ emegbukwala nwa mmụọ Na nchọpụta,Odee ji ejije a zipụta mmegbu ndị Ọgaranya n'etiti ndị Igbo na- emegbu ndị Ogbenye maọbụ ndị ọnụ anaghị eru n' okwu n'etiti ha. Ihe ndị Odee ziputara bụ ihe juru ụwa taa., dịka ohi, mmegbu na anyaukwu juru ụwa dum. O jiri omume ọma ndị O ziputakwara n' agụmagụ ya ziputa ezigbo usoro obibi ndụ na Omenaala ndị lgbo kwesirị ekwesi ka ana eñomi.

Nchọcha a lebara anya na ndịnaisiokwu n asụsụ nk nke Odee ji rụọọrụ n'akwụkwọ ejije Eruru ma kọwapụta ha nke ọma dịka o si metụta ejije a. Asụsụ nka ndị nchọcha lebara anya gunyere..ilu,akpaalaokwu,mmemmadụ myiri mbụrụ egbeokwu na atụmatụokwu ndịọzọ bụ nke dabara nke ọma maka iwepụta nkamma ejije a.

**Edensibịa**

Akaeze, C.M (2015*). Iduzaazị Ọlọrọọhụrụ Mimigraf*ụ. University of Nigeria, Nsukka.

Akaeze, C.M., Aboh, S. C., na Ugwuoke, P. E (202l) Ntọala Ọdịnịigha Igbo Ọlọrọọhụrụ.Obosi:pacific Publisher Ltd. ).

Azegba, B. (2006). Nnyocha Asụsụ nka di na Mmiri Okụ eji egbu Mbe nke Tony Ubesie dere nchọcha e mere na Ngalaba Lingwịistiks, Igbo na Asụsụ Naịjiria Ndị Ọzọ nke Naijiria, Nsukka.

Eagleton, (2007). Yerus and the Igbo: Future BBC. Birmingham. http//www.bbc.co.uk(content) Arise: Retrieved August 1,

Ezeomeke S. O. (1999). Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo. Onitsha:St.Stephen's Press Inc.

Ikekonwu, C. I .(2000). A social cultural approach towards the study of modern Igbo drama, the case of Chukwuezi's drama Texts. Teaching for Nigerian Colleges. Yola: Paraclete Publishers.

Ikeokwu,S.E.(2005).Self Construct and characterization a focus on A.B.Chukwuezi's Plays.Nsukka Journal of Humanites,17,163-176.

Lorge, J.D (1971). Language of Fiction. London: Routledge and Kengan Paul.

Lucas, F.L (1955). Style: The Art of Writing Well. London: Macmillan Company New York.

Mbah, B.M., Mbah E.E, Ikeokwu,E.S,Okeke, C.O., Nweze, M.l ,Ugwuọn ,C.N.,Akaeze C.M.,Onu,J.O, Eze,E.A.,Prezi,G.O na Odii,B.C (2013). IGBO ADỊ. Enugu University Of Nigeria Press Limited.

Mbah, B.M.na Mbah, E .E (2007). Azụonye, Lectures on Igbo Literature and Stylistics Nsukka: University Of Nigeria Press.

Mbah, E.E (2013). Nnyocha asụsụ nka n'iduauzi Nwata Kpata Ego Okanye Ejiegbuo Onwe Ya n'ozi nke Mark Ogbonnaya dere B.A. ArụmarụNgalaba Lingiwistiks Na Asusu Naijiria Ndi Ọzo na Mahadum Naijiria. Nsukka.

Ndụnagụ U.H (2006). Nyocha Ndịna na Akanka Ejije Ajọ Obi nke G.I Nwaozuzu dere maka nzere B.A - Ngalaba Lingwistiki Na Asusu Najiria Ndi Ọzọ naMahadum Naijirịa, Nsukka.

Ngara, E. (1977). Art and ideology in the African novel. London: Heinemann.

Ngara, E. (1982). Stylistics criticism and African Fiction. Ibadan: Zimbabwe Publishing House.

Nwadike, U.I (1990). Nka na usoro nkuzi Igbo. Nsukka: Ifunanya Publishers.

Nwadike,U.I (1992).Ntọala Agụmagụ.Onitsha:Nigerian Educational publisher .

Nwaokafor,I.J (2006).Asụsụ Nka dịka o si pụta ihen' Ihe Nwata Hụrụ na Adaeze. A rụarụ B.A.Ngalaba Lingwiistiks na Asụsụ Naịjirịa Ndị Ọzọ. Mahadum Naịjirịa.Nsukka.

Nwaozuzu,G.I.(2009).*Eruru.Nsukka: university of Nigeria Press Limited.*

Nze,A.I.(.2010).Nchịkọta akwụkwọ maka ule Senịọ Sekọndịrị WASSCE 2011-2025.Nnewi:Mis-Fav-Publishers.

Okafor,S.O.(2008).Akanka na Agụmagụ Igbo.Enugu:Snap Press Limited.

Okebalama, C.N. (2003). Akanka n'Agụmagụ Ọnụ Igbo. Enugu: Snap Press Limited.

Onuora, J.C. (2015). Usoro Ụtoasụsụ Igbo, Agụmagụ na Okwu nka. Onitsha: Patriotic Printers and Publishers.

Ugwuoke,P.E.,Ikeokwu ,S.E. & Agbedo C.U.(2019).Drama and Theatre as veritable Instruments for Societal Development.Nsukka Working Papers in Language,Linguistics and Literature (NWPLLL),Vol 7pp 1-20.